Manoa

KAADỊ AKỤKỌ BAỊBỤL 39

MANOA

Ihe dí ka afọ 98 O.N.K.

Mgbe e dechara Baịbụl

Afọ 1 O.N.K.

Ọ dịrị ndụ tupu afọ 1120 T.O.N.K.

4026 Tupu Oge Ndị Kraịst

Mgbe e kere Adam

MANOA

ONYE Ọ BỤ Manoa bụ nna Samsịn bụ́ Onyeikpe. Mgbe mmụọ ozi gwachara nwunye Manoa na ọ ga-amụ nwa nwoke, Manoa kpere ekpere ka Chineke gwa ya otú ha ga-esi azụ Samsịn. 'Ezi Chineke gere ntị n'olu Manoa.' Mmụọ ozi ahụ bịaghachiri gwa Manoa ihe niile ahụ o bu ụzọ gwa nwunye ya. Ọ gwara ha otú ha ga-esi zụọ nwa ha ga-abụ onye Naziraịt.—Ndị Ikpe 13:8-14.

AJỤJỤ

A. Mmụọ ozi ahụ bịakwutere nwunye Manoa gwara ya na Samsịn ga-anapụta ndị Izrel n'aka ole ndị?—Ndị Ikpe 13:5.

B. Manoa kpere ekpere, sị: "Onye nke ezi Chineke ahụ i zitere, biko, ya bịakwute anyị ọzọ ma _____ ihe anyị ga-eme."—Ndị Ikpe 13:8.

CH. Manoa siiri mmụọ ozi ahụ nri. Eziokwu ka ọ bụ ụgha?—Ndị Ikpe 13:15, 16, 19.

AZỊZA

A. Ndị Filistia.

B. Gwa anyị.

CH. Ụgha. Ọ chụụrụ Jehova àjà nsure ọkụ.



www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania